# OKE ỌDỊDA ỤMỤAKWỤKWỌ SEKỌNDỊRỊ UKWU N'ASỤSỤ IGBO N' ULE WAEC N'OKPURU ỌCHỊCHỊ IME OBODO UDI NKE DỊ NA STEETI ENUGWU

Nke
**Nneka Justina Eze Ph.D**
Department of Arts and Social Science Education
EbonyiStateUniversity, Abakaliki – Nigeria
Nnekaeze44@gmail.com

**Ụmị edemede**
*Nchọcha a bụ iji chọpụta ihe mere ụmụakwụkwọ ji adakarị n'ule asụsụ Igbo na WAEC n'okpuru ọchịchị Udi nke Steeti Enugwu. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe a ga-eji gbochie maọbụ kwụsị ụdịrị ọnọdụ a n'agụmakwụkwọ na Steeti Enugwu. Ịchọpụta ụmara ndị mmadụ n'ebe asụsụ Igbo dị, ịchọpụta ụdị nzere na ọzụzụ ndị nkụzi nwere n'asụsụ Igbo ya na ihe ndị ọhanaeze na ndị gọọmenti ga-eme iji hụ na e gbochiri oke ọdịda ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. Nka nchọcha e ji rụọ ọrụ bụ Sọvee Ǹkọwasị. Ọnụọgụgụ e ji mee nchọcha a dị puku atọ iri isii na ise (3065) ebe nsere e nwetara dị narị atọ (300). Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ akwụkwọ mgbamnjụ. A chọpụtara na ụfọdụ ndị nkụzi hapụrụ iji Igbo Izugbe na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe ma were olundị obodo ha wee na-akụziri ụmụakwụkwọ Igbo Izugbe. E nweghị mmasị nke ụfọdụ ndị nkụzi na ụfọdụ ụmụakwụkwọ sokwa na nsogbu na-ebute oke ọdịda, tinyekwara na ụfọdụ ndị nkụzi Igbo enweghị ezigbo ọzụzụ n'ihe gbasara asụsụ Igbo tupu ha akụziwe n'ihi na ha weere ya na ebe ọ bụ na ha maara asụ asụsụ Igbo na ha ga-enwe ike kụzie asụsụ Igbo nke ọma.*

## Mkpọlite
Asụsụ bụ usoro ma ọ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta site n'ime ka onye ọzọ mata ihe ibe ya bu n'obi.Nke a metụtara akọrọngwa niile obodo maọbụ mba nwe ya bụ asụsụ ji enwe mmekọrita n'ụdị nke ha, ma nke mmadụ n' ibe ya n' ogbe ha. E nwekwara ike ịsị na Asụsụ bụ echiche mmadụ a hụrụ anya. Eze (2019) kwenyere na onye ọbụla nọ ndụ nwere asụsụ ọ na-asụ e ji mara ya. Obodo ọbụla maọbụ mba ọbụla nwere asụsụ e jiri mara ha. N' ihi nke a, ka Ọfọmata (2003) kọwara asụsụ dị ka ihe na-eweta mmekọrita n'etiti mmadụ n' ibe ya, obodo na obodo, mba na mba. Pike (2002) kọwara asụsụ dịka ụdaolu mmadụ haziri ahazi n' ụdịdị mma nke na ọbụghị ebumpụta ụwa, mmadụ n' onwe ya mere e ji akọwapụta echiche site n' okwu ọnụ maọbụ n'edemede. E jikwa asụsụ amata ebe onye si pụta maọbụmpaghara mba ụwa ebe o si. Asụsụ onye na-akọwa ya. O kwesikwara ka anyị ghọta na ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ ma na-asụkwa ya. Anụọhịa anaghịkwa asụ asụsụ, ọ naghịkwa anụ asụsụ kama ihe ha na-eme bụ ụzụ.

Aja (2017) kọwara na asụsụ bụ ihe ọbụla maọbụ okwu ọbụla obodo maọbụ ndị ọbụla kwekọrịtara kpọọ ihe dịka aha, ọ zawa ya, ọ ghọọ asụsụ ha. Tinyekwara na asụsụ niile na-agbazite okwu ụfọdụ site n'asụsụ ogbo ya, iji mee ka asụsụ nke ha zuo oke ma kwụrụkwa chịm. Omeje (2005) kwuru na e nwere ihe kariri agbụrụ iri na asatọ n' ala anyị. O nweghị agbụrụ ya na ibe ya nwere otu ụdị asụsụ. Agbụrụ ọbụla nwekwara asụsụ udị iche iche n'ime onwe ha. Ọ bụ nke a mere Olundị maọbụ Olumba ji baa ụba. Ohiri-Aninche (2013) kọwara na Olundị karịrị narị atọ n'ala anyị.

## Asụsụ Igbo
Asụsụ Igbo bụ ụdị asụsụ ndị Igbo na-asụ nke e jiri mara ha. O so n'asụsụ ndị pụtakarịchara ihe gbara ọkpụrụkpụ n'obodo Naịjiria, o zuru Igbo niile ọnụ. A na-asụ asụsụ Igbo ebe ọbụla ndị Igbo nọ, ọkacha na Steetị ndị e jiri mara ha dịka ndị a: Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu, Imo. Asụsụ Igbo

na-ezipụtakwa agwa ndị Igbo na omenala ha. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu, o nwekwara ezigbo ọtọgrafi e ji ede ya. Eze (2017) kọwara na asụsụ Igbo nwere ezi usoro e ji agụpụta ya n'akwụkwọ nakwa nke e ji ede ya ede n'ụzọ Igbo Izugbe. O nwekwara agbụrụ ndị ọzọ asụsụ ha gbara ọkpụrụkpụ n'ala anyị dịka Yoruba, ha na-asụ asụsụ Yoruba, ndị Hausa na-asụ Hausa. E nwekwara ọtụtụ asụsụ ọzọ dịka Ibibio, Ijaw, Idoma, Igala, dgz. Ọ bụkwa etu ahụ ka omenala hasi metụta asụsụ ha.

N'iji kwalite asụsụ ọdịnala n'ala anyị, National Policy on Education (2004)kwuru na nwata akwụkwọ ọbụla ga-eleriri otu asụsụ n'ime asụsụ atọ ndị a gbara ọkpụrụkpụ e jiri rnara ala anyị; Asụsụ Igbo, asụsụ Yoruba na asụsụ Hausa. N'ime ihe ndị a niile, asụsụ Igbo gara n'ihu na-anyụ ka ọkụ kwa ụbọchi. Nke a so n'ihe mere e ji na-eleba anya n'ihe ụfọdụ na-ebute oke ọdịda asụsụ Igbo n'ule WAEC. Oke ọdịda ụmụakwụkwọ n' asụsụ Igbo n'ule SSCEpụtara emeghị nke ọma nke ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ule SSCE site na'agafeghị n'ule maọbụ jiri akara opekata mpe akara (C) credit, bụ nke ụmụakwụkwọ na-ejibu akara (A) na (B) apụta n' ihe dịka afọ isii gara aga. Lee ka ọsisa ule (result) ụmụakwụkwọ n' asụsụ Igbo siri dị malite n'afọ 2013 ruo n' afọ 2017.

Okwe Ule WAEC() n' Asụsụ Igbo

| | Afọ | Ndị Lere Ule | Ndị Gafere Ule | Ndị Dara Ule |
|---|---|---|---|---|
| 1 | 2013 | 4887 | 2008 | 2879 |
| 2 | 2014 | 2997 | 1223 | 1774 |
| 3 | 2015 | 2999 | 1201 | 1798 |
| 4 | 2016 | 3060 | 1123 | 1937 |
| 5 | 2017 | 3672 | 1113 | 2559 |

Okwe ule a e depụtara ebe a bụ ka ụlọ ọrụ WAEC siri depụta ya, anyị ga-ahụ na ụmụakwụkwọ na-ada n'ule asụsụ Igbo mana, site n' afọ 2016 ruo n'afọ 2017 ka ọdịda ule a biara kara njọ.

**Ule WAEC**

Ụlọ ọrụ a bụ West African Examination Council (WAEC) n'ụzọ nkenke bụ ndị gụrụ akwụkwọ sitere ndịda anyanwụ Africa mejupụtara ya. Ọ bụ ha na achịkọba ma na ahazi ụmụakwụkwọ ndị nke nọ n' ogo nke atọ na ụmụakwụkwọ nọ n''ogo agụmakwụkwọ nke atọ na kọlejị ogo elu, ndị nọ n'ogo ngụcha. Otu nchịkọba ule WAEC(I kwuola maka , nke a abaghịzi uru) ka ehibere n' afọ 1952. N'afọ 1954 ka e nyere ule asụsụ Igbo n'aka ndị, ya ruzie n' afọ 1955 ha nye Asambodo nke mbụ ha n'asụsụ Igbo.

**Ụfọdụ Ihe Nwere ike Ibuta Oke Ọdịda Asụsụ Igbo n' ule**

Ụfọdụ n'ihe nwere ike ibute oke ọdịda ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo n' ule WAEC(biko dechie ebe ọbụla WAECnọ) bụ mgbe ụfọdụ nsogbu ọtọgrfi, usoro edide asụsụ Igbo dịka okwu ndị a na-edesa edesa na okwu ndị a na-edekọ ọnụ. Nke a na-ebutekarị ndị kwe ndị ekweghị n'etiti ụmụakwụkwọ ọkacha n'etiti ndị Ọkammụta asụsụ Igbo, n'ihi na ha niile ekwenyeghị n'otu usoro edide.Ụmụakwụkwọ enweghị ezigbo mgbọrọgwụ na ya bụ asụsụ, nke pụtara na ụfọdụ ejighị asụsụ Igbo wee too maọbụ na ndị nne na nna ha ejighị ya bụ asụsụ wee zụlite ha. Ọtụtụ ndịnkụzi n'ụlọ akwụkwọ Praịmarịna sekọndịrị amaghịakụziasụsụ Igbo nke ọma. Ụfọdụ na-akụzi ihe masịrị ha hapụ ihe dị na kọrịkụlum maka ndị sekọndịrị ukwu.Ụfọdụ ụmụakwụkwọ enweghịkwa mmasị na ya bụ asụsụ. (Okaibe (2001).

Emenanjọ (2001) Oge ha nọ n' ọgbakọ Society for Promoting Igbo Language and Culture (SPILC) n' Owere kwuputara na nkụzi ejughị afọenweghịkwa ezigbo nka nkụzi, so bụrụ ihe mere ụmụakwụkwọ ejighị enwe mmasị n' ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihi na ọ bụn'ụlọ akwụkwọ Praịmarị bụ ebe ntọala agụmakwụkwọ kwesịrị ịmalite ka e ji ikụzi na ọmụmụ eme egwuregwu. Ọ bụ ya mere Nwadike (2006) ji kwuo na ikụzi Igbo n' ogoPraịmarị bụ ihe kwesịrị ka e mee ya nke ọma.Ọtụtụ ndị n'ebe ụfọdụ oge e wepụtara makaikụzi asụsụ Igbo na-abụ oge akụkọ. Ihe gbasara ụtọaụsụsụ, aghọtaazaa na omenala edochaghị ụfọdụndị nkụzi anya. Ugbu a ọdịda ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ule niile tụmadị n'ule WAEC abụrụla ihe bụ amaghị ihe e mere ya nke taa na nke echi ọ bụrụ ihe agaghịamazị ihe a ga-eme ya.

**Ụmụakwụkwọ**

Ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu bụ ụmụakwụkwọ ndị gụcharala sekọndịrị nta, nọrọzie n'agbata ule WAEC. Eke (2001) kwuru na ọnọdụ nwata ga-anọ wee dị nkwadobe ịmụ ihe ọmụmụ bụ ọnọdụ nwataakwụkwọ. A tụrụ anya na ndị nkụzi ga-abụ ndị maara nke ekwe n'akụ, ndị a zụrụ nke ọma n'ụlọ ebe a na-azụ ndị nkụzi na ngalaba ihe ọmụmụ dị iche iche ka ha gbaziere ha ụzọ ma tụziere ha aka site n'ịkụziri ha ihe a tụrụ anya n'aka ha na WAEC.

**Ule WAEC**

Ule WAECbụ nnwale ndị ndịda anyanwụ Africa na-achịkọbara ụmụakwụkwọ sitere n'otu mkpaghara ahụ ndị nọ n'ogo nke ngụcha akwụkwọ ha n'ogo sekọndịrị nta na nke ukwu, iji mara ma ụmụakwụkwọ ha makwara ihe ha kwesịrị ịma tupu ha agụchaa. A na-enyekwa ha asambodo iji gosi otu ha si metadebe n'ule WAEC ahụ. Mana nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ogo sekọndịrị ukwu. Ule WAEC bụkwa nnwale a na-eme ụmụakwụkwọ sitere ndịda anyanwụ Africa site n' ide ajụjụ n'akwụkwọ, ụmụakwụkwọ azaa ya, iji họpụta ndị tozuru ịgụcha na ndị etozughị. Ọ bụ ndị a kpọrọ W.A.E.C na Bekee na-achịkọba ya iji gosi na nwata akwụkwọ agụchaala akwụkwụkwọ n'ogo sekọndịrị.

Ọfọma (2007) kọwara na ụmụakwụkwọ ndị Igbo ahụchaghị omenaala ha n'anya dịka o si kwesi nke mere asụsụ Igbo abụchaghị ihe o kwesiri ịbụ. Ndị mba ọzọ dịka Yoruba na Hausa na-egosipụta ịhụnanya ha nwere n'omenaala ha site n'asụsụ ha ebe niile. Ndị Igbo kwesịrị iṅomi ndị mba ọzọ ndị a nagịdere ma chekwaa ụkpụrụ nna nna ha dewere ha.

Ụkpụrụ a gụnyere asụsụ na omenala dị iche iche dịka; erimeri, ejiji, okpukpere chi, nkwenye, dgz. Ndị Igbo na-eleda asụsụ na omenaala ha anya, nke a bụ akparamagwa ọtụtụ ụmụ afọ Igbo. Nke a mere na ha etinyeghị uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo, bụ nke mere na elechaa ule asụsụ Igbo, e nwee oke ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ ndị dara ada n'ule. Ụmụakwụkwọ ụfọdụ na-ajụ, asụsụ Igbo ọ ga-edu ha gaa ebee? Maọbụ na-ekwu na o nweghị ihe e ji Igbo eme. Ọ bụ ụdị ajụjụ a ụmụakwụkwọ na-ajụ na-eme ka ha ghara i nwe mmasị n' ọmụmụ asụsụ Igbo. Enye ha ule ka ha dee, ha adaa ya. Ndị nne na nna n' aka nke ha emeghị ka ọnọdụ ọjọọ a gbanwee, kama ha mere ọnọdụ a kara njọ site n'iji asụsụ bekee akparịtara ụmụ ha ụka maọbụ ezikọrịta ozi n' ụlọ ha.

Ihe ọzọ sokwa ebute ọdịda ụmụakwụkwọ n' asụsụ Igbo bụ ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe a na-akụzi Igbo site na mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta asụsụ Igbo. Ọ bụ ya mere uche maọbụ mbọ ụmụakwụkwọ na-agba bụ ka ha mee nke ọma n' asụsụ bekee ma lefere asụsụ Igbo anya.

**Nsogbu Nchọcha**

Asụsụ Igbo n'onwe ya na-enwe ndalazụ n'ike n'ike nke na o kwesịrị i na-enye onye ọbụla bụ nwa afọ Igbo nsogbu ugbu a. Nke kacha nke bụzị otu ụmụakwụkwọ Igbo si ada ya n'ule, ọkacha ule WAEC. Nchọcha a bụ iji chopụta ihe e nwere ike ime iji gbochie ọnọdụ dị etu a n'ọdịn'ihu. Ọ bụ nke a mere m ji hụ isiokwu a bụ "Oke Ọdịda Ụmụakwụkwọ n'Asụsụ Igbo n'ule " dịka nke kwesiri ime nchọpụta na ya.

**Ụlọakwụkwọ Ndị E Lebara Anya**

Onye nchọcha lebara anya n'ụlọakwụkwọ ndị a:

1. Father Ogbonna Memorial Comprehensive College Ọkpatụ nke dị n' okpuru (a chọpụtara m na ị na-enye ohere ma ị dechaa n bu rịkọm, nke ahụ ezighi ezi) ọchịchị Udi.
2. St. Theresa's College Abor nke dị n' okpuru ọchichi Udi.
3. Community Secondary School Ụmụlumgbe nke dị n'okpuru ọchici Udi
4. Gịrls Secondary School Ukehe nke dị n' okpuru ọchici Udi

Ndị a bụ ụfọdụ n'ụlọakwụkwọ ndị e seere wee nyochaa nsogbu ụfọdụ.

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ ndịka onye nchọcha wepụtara ka onyere ya aka n'ime nchọcha a :

a. Enwere oke ọdịda ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ule WAEC?
b. Ụmụakwụkwọ a na-agafe n'ule ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa nke asụsụ Igbo na WAEC?
ch. Asụsụ Igbo ọ na-ahịa ahụ ịghọta mgbe a na-akụzi ya?
d. Enweghị ndị nkụzi Igbo a zụrụ nke ọma ọ na-eme ka a na-enwe oke ọdịda n'ule asụsụ Igbo?

**Ụfọdụ Nsogbu na-Echere ỌmụmụAsụsụ Igbo aka Mgba**

Dịka asụsụ ndị ọzọ, asụsụ Igbo nwere ụfọdụ nsogbu na-echere ya aka mgba. E nwere Olumba dị iche iche n' ala Igbo. Nke a mere Onyeforo (2001) ji kwadoo iji asụsụ Igbo Izugbe dịka asụsụ e ji eme ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihi na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ Olumba, iji ya arụ ọrụ n'agụmakwụkwọ agaghị ekwe omume n'ụzọ gara siriri werere. Nsiri (2002) kwadokwara na iwebata asụsụ Olundị n'ọmụmụ asụsụ Igbo ga-enye aka mee ka ọmụmụ asụsụ Igbo na-ahịa nnukwu ahụ, n'ihi na onye abụghị onye obodo ahụ ga-ahụ ya dịka asụsụ mbịarambịa n'ihi na nghọta ya ga-esi ike. Ọmụma atụ:

Lee mkpụrụokwu ndị a:

Osisi----------Oshishi (stick)
Ụlọ-----------Ụyọ (house)
Mma----------Ụma (knife)
Azụ----------Adzụ maọbụ adzị,(fish) dgz.

Ọzọ, asụsụ Igbo adịghị ka asụsụ bekee, asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Pike (2007) kọwara asụsụ ụdaolu dịka "asụsụ nwere otu ọdịdị na nsupe, mana mpụtara ha nwere ike ịdị iche." O jiri mkpụrụokwu ndị a 'akwa' nwere mpụtara anọ maa atụ. Ọ bụ site n'akara ụdaolu ka a ga eji mata ha.

| | |
|---|---|
| ákwá | cry |
| ákwà | cloth |
| àkwà | bed |
| àkwá | egg |

Ọ gara n'ihu kwuo na n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu na ndị na-amụ ya bụ asụsụ ga-enwe nramahụ. Pike (2007) kọwara na n'itinye akara ụdaolu n'asụsụ Igbo a na-ede ede bụ iji gosiputa ma okwu ahụ enwere ụdaolu ka ọ bụ ụdaala, nke a ga-egosi ndịiche dị na mkpụrụokwu ndị ahụ nwere otu usoro nsupe mana mpụtara ha dị iche maka na nke a na-abụkwa nsogbu dịrị ndị na-amụ asusu Igbo. Ụkọ akwụkwọ ọgụgụ Igbo na ngalaba asụsụ Igbo dị iche iche na-enyekwa ụmụakwụkwọ nsogbu. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ọ bụrụ na akara ụdaolu Igbo n'agbanwe mgbe ọ na-arụ ọrụ n'ahịrịokwu. Ọ naghị abụ otu ihe mgbe ọ nọ na mkpụrụokwu na mgbe ọ nọ n'ahịrịokwu.

Ihe nhịamahụ ọzọ ụmụakwụkwọ na-enwe n'ule WAEC bụkwa ime ntụgharị. Nke a bụ isi n'asụsụ Bekee bufee ahịrịokwu ahụ n'asụsụ Igbo, maọbụ isi n'asụsụ Igbo bufee ahịrịokwu n'asụsụ Bekee. Nke a na-ebutekarịrị ha mgbagwoju anya maka na mgbe ụfọdụ ha emee ntụgharịokwu ahụ na mkpụrụokwu na mkpụrụokwu, echiche dị na ya agbanwee. Ụdị nka ndị ahụ dịcha n'odide asụsụ Igbo na-enye ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu na-akwado ule WAEC ezigbo nsogbu. Nke a na-eme na onye ha niile edochaghị anya anaghị eme nke ọma n'ule ahụ. Ihe ọ na-eme na ụmụakwụkwọ ahụ anaghị ewere ike ha niile tinye uchu n'ịmụta ha niile nke ọma bụ na ha na-eche na ọ bụ naanị ịgafere n'ule ahụ bụ uru ha ga-erite n'ịmụta ihe ọmụmụ ahụ niile.

Uro (1995) kwuru nanchọcha ya, na Ọhanaeze na-eche na ndị gụrụ asụsụ Igbo enwechaghị uru ha bara. Ndị mmadụ na-abụkarịndị gụrụ asụsụ Bekee ka ha na-akwanyere ugwu. Ha na-asọpụkwara ndị gụrụ ihe gbasara maka dibịa Bekee, Ọkaikpenaihe ọmụmụ ndị ọzọ e ji Bekee akụzi maọbụ amụ. Ọhanaeze na-ahụta ndị a dịkandị nwere ohere mkpata ego na ibi ezigbo ndụ karịa ndị mụrụ ma gụọ asụsụ Igbo. Nwadike (2004) sikwa na ntụpọ a na-etinye n' ụfọdụ mkpụrụ edemede Igbo mere o ji ara ọtụtụ ụmụakwụkwọ ahụ, ụda ndị dịka; ị, ụ, ọ, na ǹ. Ọ sikwa na ụda ndị gbara mkpi, dịka ch, gb, gh, gw, kp, kw, nw, ny, sh na enyekwa ụmụakwụkwọnsogbu na mkpọkọta maọbụ mkpọpụta ha.

Ifedi (2003) kọwakwara na otu n'ime ihe ndị na-ebutekarị oke ọdịda n'asụsụ Igbo bụ nweghịmmasị n'ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbo. Ọkacha n'ụlọakwụkwọ praịmarị bụ ebe ụmụakwụkwọ na-agbanye mgbọrọgwụ n'ọmụmụ ihe. N'iga n'ihu n'ịkọwa maka mmasị, Emenanjọ (2005) kwuputakwaranankụzi ihe nke na-erijughị afọ nkeenweghịkwa ezigbo nka nkụzi so na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara inwe mmasị n' ọmụmụ asụsụ Igbo. Abịakwa na mmasị na nka onye nkụzi, Nwadike (2004) kwadokwara na ikụzi Igbo n'ogo praịmarị bụ ihe kwesịrị ka e mee nke ọma, iji wee kpalie mmasị ụmụaka n'asụsụ Igbo malite n'ogo Praịmarị.

Onye nchọcha kwenyekwara n'ihe Emenanjọ kwuru na ọ bụ ihe mmadụ nwere ka o nwereike inye onye ọzọ. Ebe ọ bụ na ọtụtụ ndịnkụziamaghị ihe atụrụ anya n' aka ha gbasara ikụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo nke ọma, ụmụ akwụkwọ agaghị amakwa ihe atụrụ anya n' aka ha maka ọmụmụ ya bụ asụsụ. Ihe mmadụ na-enweghịmmasị na ya, uche ya anaghị adị ya. Ebe ọ bụ na ụfọdụ ndịnkụzi maara Igbo enweghị mmasịikụzi ya, ọnọdụ dị etu a na-emegịde ụmụakwụkwọ n'ule WAECn'asụsụ Igbo. Ndị nkụzi nwere nnukwu ọrụ ha ga-arụ iji me ka ụmụakwụkwọ na-eme nke ọma maka na nkụzi bụ nnukwu ọrụ na-agbanyeghị na a na-eleda ya anya.

Eze (2019) kọwara na nkụzi bụ okwu gbara nnukwu ọkpụrụkpụ, n'ihi na ọtụtụ ndị odee ekwuola ma ọ bụ kọwaa ihe ụfọdụ dị ka e si eleba ya anya ugbu a. Nkụzi abụghị naanị ime ka mmadụ mụta ihe ọ mabughị na mbụ ma ọ bụ mụta nke ọma nke ọ maara ntakịrị ka ọ mụtachaa ha niile. Kama

n'ịkọwa nkụzi nke ọma o metụtakwara agwa onye na-akụzi na nke onye a na-akụziri. Onye ọbụla na-akọwa ya n'ụdị o si wee ghọta ya, n'ihi na ọ pụtara ọtụtụ ihe. Anaghị ekwu okwu nkụzi ma ọ bụrụ na e nweghị onye a na-akụziriere (nwaakwụkwọ/ụmụakwụkwọ). Agwụ (2005) kọwara na nkụzi na onwe ya bụ azụm ahịa ndị niile nke a gbasara maka ịgbanwe agwa mmadụ na ịgbanwe ndụ mmadụ ka obodo wee dị mma, ya na ụzọ pụrụ iche e si eme ya. Etu o sila dị, nkụzi bụ ịgbaziri mmadụ ụzọ, inye mmadụ ntụzi aka, ịgwa mmadụ nke bụ eziokwu, n'ụzọ ọ ga-esoọ ga-abara ya uru, ime ka mmadụ chọpụta ma ọ bụ mata ihe ọ na-amaghị na mbụ ma ọ bụ ihe ọ na-aghọtachaghị. E nwere ike ime ihe ndị a site n'ịbara mmadụ mba ma ọ bụ ịta ya ụta, ichepụtara mmadụ ihe echiche nke ya n'erughị na ya. Ha niile sokwa na nkụzi n'ihi na ha niile na-ejikọta aka ọnụ mee ka mbunuche nkụzi pụta ihe site n'ime nkọwagasị, ịgba ajụjụ na ige ntị nke onye ahụ zara, ma ọ dabara adaba ka ọ dabaghị, na ịtụpụta aro, nye ntụzi aka, dụọ ọdụ. Ịba mba ma ọ bụ ịpịa ụtarị, ịchịrị onye mere nke ọma ọchị, jaa ya ike, kụọrọ ya aka ma ọ bụ nye ya ihe onyinye sokwa na nkụzi maka na ihe ndị a na-ewulite nkụzi, ọ ga-emekwa ka nwata akwụkwọ tinyekwuo uchu n'ihe a na-akụziri ya.

**Ugboro Ole a na-Akụzi Igbo n'otu Izuụka**

Ọzọ dị ka ibe ya n'ihe ndị na-ebute ọdịda ule WAECn'asụsụ Igbo bụ ụdị mbọ a na-agbara asụsụ bekee ka e wee mee ka ọ bụrụ ọ ka ibe karịa asụsụ Igbo. Nke a mere ka a na-amụ asụsụ Bekee kwa ụbọchi, ma na ọtụtụ ụlọakwụkwọ sekọndịrị bụ naanị ugboro abụọ n' otu izuụka ka a na-amụ asụsụ Igbo. Nke bụ anya onye nchọcha lere na ugboro ole a na-akụzi maọbụ amụ asụsụ Igbo ya na ihe ọmụmụ ndị ọzọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Otu n'ụlọakwụkwọ ndịa e jimee nchọcha a bụ Father Ogbonna Memorial Comprehensive College Ọkpatu.

**Ihe a Chọpụtara**

Na ntule ihe ndị a chọpụtara, a ga-aza ajụjụ nchọcha anọ ndị ahụ e wepụtara n'isi nke mbụ n' edemede nchọcha. Ma iji wee hụ na a zara ajụjụ nchọcha a nke ọma, onye nchọcha buuru ụzọ hazie ajụjụ ndị a ka ha daba site n' iji usoro ntule pesentị (%) wee rụọ ọrụ tebulu nke mbụ, abụọ, atọ na nke anọ.

**Ajụjụ nchọcha nke Mbụ**

| E nwere oke ọdịdaọnụọgụgụ mmadụ Ụmụakwụkwọ n' asụsụ Igbo n' ule WAEC? | | Pesenti % |
|---|---|---|
| Ee | 190 | 63.33 |
| Mba | 110 | 36.67 |
| Mkpọkọta ndị zara Ee nandị zara mba | **300** | **100** |

**Ajụjụ nchọcha nke Abụọ**

| Ụmụakwụkwọ ana-agafe n' ule ihe ọmụmụndịọzọ karịanke asụsụ Igbona WAEC | Ọnụọgụgụ mmadụndị zara ndị zara ajụjụ | Pesenti % ajụjụ a |
|---|---|---|
| Ee | 210 | 70 |
| Mba | 90 | 30 |
| Mkpọkọta ndị zara Ee nandị zara mba | **300** | **100** |

**Ajụjụ nchọcha nke Atọ**

| Asụsụ Igbo, ọna-ahịa ahụ ịghọta mgbe a na-akụzi ya? | Ọnụọgụgụ mmadụ ndị zara ajụjụ | Pesenti % ndị zara ya |
|---|---|---|
| Ee | 160 | 53.33 |
| Mba | 140 | 46.67 |
| Mkpọkọta ndị zara Ee nandị zara mba | **300** | **100** |

**Ajụjụ nchọcha nke Anọ**

| Enweghịndịnkụzi asụsụ Igbo azụrụ nke ọma, ọ na-eme ka a na-enwe oke ọdịda n' ule asụsụ Igbo? | Ọnụọgụgụ mmadụ Ndị zara ya | Pesenti % Ndị zara ya |
|---|---|---|
| Ee | 158 | 52.67 |
| Mba | 142 | 47.33 |
| Mkpọkọta ndị zara Ee nandị zara mba | **300** | **100** |

**Ihe a Chọpụtara**

Na nchịkọba n'izugbe ka a chọpụtara na ndị zara Ee nye ajụjụ ndị a karịrịn'ọnụọgụndị zara mba. Ya bụnaọ bụ ihe ndị ahụ e chere na ọ bụ ya na-ebute emeghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo bụ ya na-ebute ya. Ajụjụ nke mbụ jụrụ, enwere oke ọdịda asụsụ Igbo n' ule WAEC? Site n' azịza ndị mmadụ, ka achọpụtare na enwere oke ọdịda. N'ọnọdụ di etu a, ka gọọmentị ga-eme asụsụ Igbo ka ọ bụrụ ihe nwataakwụkwọọbụla ga-agaferịrị n'ule WAECtupu enye ya ọrụ ma ọbụ nweta ohere agụmakwụkwọ n' ụlọakwụkwọ dị elu. Ajụjụ nke abụọ, bụụmụakwụkwọ a na-agafe n'ule sọbjekịtịndịọzọ karịa asụsụ Igbo? Ndị zara Ee ka n'ọnụọgụ karịa ndị zara mba. A chọpụtara naụmụakwụkwọ na-agafe sọbjekịkịndịọzọ karịa asụsụ Igbo. Ugwu (2007) kọwara na e kwesịrị iwebata ihe ga-akpali mmasịọmụmụ asụsụ Igbo n'ime ụmụakwụkwọ. Njọkụ (2003) kọwara na mmasị bụ mkpalite mmụọ nke na-eme ka ihe masị mmadụ. Nke a gosiri na mmasị bụ ihe mmadụ ji aka ya chọọ ime na-enweghị onye manyere ya na ya. Ọnwụka (2015) kwukwara na mmasị na-enyere nwata/mmadụ aka isonye n'ihe nke ọma, nke na-eme na nwata ahụ ga-amụta ihe nke ọma. Nke a ga-eme ka ha mara naọmụmụ asụsụ Igbo dịkwa mkpa ka sọbjekiti ndịọzọ. Imepe ndị mmadụanyagbasara mkpa ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbo dị ga-eme ka ha na-eme nke ọma n'okwe ule WAEC. Ajụjụ nke atọ bụ, asụsụ Igbo ọ na-ahịa ahụ ịghọta mgbe a na-akụzi Igbo? Ndị kan'ọnụọgụbụ ndị zara Ee, karịandị zara mba nke a chọpụtara na asụsụ Igbo n'ahịa ahụga-eme ebido n'oge ụmụakwụkwọ nọ n'ogoagụmakwụkwọPraịmarị nta na-atọrọ ha ntọala ọgụgụna odide asụsụ Igbo tinyere ịdụ ha ọdụ na asụsụ Igbo anaghị ahịa ahụ na ọ dị ka ihe ọmụmụndịọzọ (sọbjekiti).

Ajụjụ nke anọ, a chọpụtara na e nweghịndịnkụzi a zụrụ azụ nke ọma so ebute oke ọdịdaụmụakwụkwọ n' ule WAEC, ụfọdụ ji asambodo na a zụrụ ha nke ọma mana ụbụrụ isi ha anaghị egosi ya. N' ọnọdụ dị etu a ka ndị gọọvmentị ga-agba mbọmepe ọtụtụ ebe a ga-anọ na-azụpụta ndịnkụziọkachasi ndịnkụzi asụsụna omenaala Igbo. Ha ga-ahụkwa na tupu ha ewee ndịnkụzi Igbo n'ọrụ na ha mere ezigbo nyocha, ma wee ndị maara nke ekwe na-akụ n'ọrụ ikụzi Igbo Eze (2019) kwadoro na a ga-enyocha ha site n'igba ha ajụjụ ọnụ na nke e dere ede. Nke a bụ iji chọpụta ma ha tozuru oke n'ezie tupu ha akụziwe asụsụ Igbo.

Ajụjụ nke ise gosiri na enweghịọtụtụndịnkụzi na-enye aka n' ime ka a na-enwe oke ọdịda n' asụsụ Igbo. Ndị gọọmentị ga-ewepụta ihe onyinye mara abụba maka ndị na-agụ maka ịbụndịnkụzi asụsụna omenaala Igbo, nke a ga-eme ka ọtụtụ mmadụ nwee mmasị n' ịgụ asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ ebe a na-azụpụta ndịnkụzi. Ndịnkụzi ga ahụkwa naụlọakwụkwọsekọndịrịọbụla nwere opekata mpe ndịnkụzi asụsụ Igbo atọ.

Ajụjụ nke isii: Enweghị ọtụtụ akwụkwọọgụgụ asụsụ Igbo so na-ebute oke ọdịda asụsụ Igbo n' ule WAEC? Nchọpụta kwadoro na o so ebute emeghị nke ọma nke ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. A ga-agba mbọ mee ka gọọmentị mapụta amụma iji mee ka ụmụakwụkwọ kwụchaa ụgwọ akwụkwọọgụgụ asụsụ Igbo tupu anabata ha n'ụlọakwụkwọ. Gọọmentị ga-ejisi ike tinye akwụkwọ ọgụgụ Igbo dị iche iche n'ọbaakwụkwọsekọndịrị niile di n' okpuru ọchichi Udi. A ga-ahụkwa naakwadoro ndị na-ede akwụkwọ Igbo ka ha gaa n'ihu na-edepụta ya n' uju. A ga-ahụkwa naọnụ ahịa akwụkwọọgụgụ Igbo ga-ebelata, n'ihi na nke a ga-eme ka onye ọbụla nwee ike zụta ya n' ahịa. Ajụjụ nke asaa; ụmụ akwụkwọana-amụ asụsụ Igbo ka e were mezuo ọnụọgụ ihe a na-amụ n' ụlọakwụkwọ? Nchọpụta gosiri Ee naụmụakwụkwọ na-amụ Igbo bụ iji ya mezuo iwu. N' ọnọdụdi etu a ka aga eme ka ha mata na ịmụ asụsụ Igbo dịkwa ezigbo mkpa dịka ihe ọmụmụ asụsụ bekee, ihe ọmụmụ mgbakọ na nwepu, ihe ọmụmụ nkanụzụ, wdg.

Ajụjụ nke asatọna nke ikpeazụndị nhazi agụmakwụkwọ e nyereọmụmụ asụsụ Igbo oge zuru ezu n' ụlọakwụkwọsekọndịrị? Achọpụtara na a naghị enye ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbo oge zuru ezu site n'aka ndị na-ahazi agụmakwụkwọ. N'ebe a, ka a na-agwa ndị nhazi agụmakwụkwọ ka ha were ụdị oge enyere ihe ọmụmụndịọzọnyeọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo. Nke a ga-enye ohere ka emezuo ihe niile e kwesịrị ime n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbodịka ihe ọmụmụndịọzọ,

**Mmechi**

Ndalazụ asụsụ Igbo na oke ọdịda n'ule Igbo ụmụ akwụkwọ, ọkacha n'ụtọasụsụ Igbo nke na-atụ ụmụ akwụkwọ egwu ma na-egbochikwa ha ịhọrọ asụsụ Igbo dị ka otu n'ime ihe ọmụmụ ndị ha ga-ele n'ule ha na WAEC. Ọtụtụ ha na-aka enwe mmasị n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa n'asụsụ Igbo. Onye nchọcha na-achọ ụzọ a ga-esi chụpụ egwu dị etu a n'ime ụmụ akwụkwọ ma webata ihe ga-akpali mmasị ma wulite mmetadebe ụmụ akwụkwọ etu ọ ga-esi dị mma ma na-enyekwa ndị nkụzi na ndị nne na nna ọṅụ na nwata akwụkwọ na-agafe n'ule nke ọma. Ọ bụ ya ka e ji na-achọ ihe ga-akpali mmụọ ha inwe mmasị na ya bụ ihe ọmụmụ maka na ọ bụrụ na mmasị nwata akwụkwọ adịghị n'ihe ọmụmụ onye nkụzi na-akụziri ya, ọ ga-ahịa nnukwu ahụ nwata akwụkwọ ahụ imeta nke ọma na nnwale ma ọ bụ n'ule na ngalaba ihe ọmụmụ ahụ mmasị ya adịghị. Eze (2019) kọwara na ọ bụrụ na e buru mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'uche mgbe a na-akụzi Igbo na ọ ga-enye nnukwu aka n'okwe ule WAECha. Ndị nkụzi a zụrụ nke ọma n'ezie na ezigbo akwụkwọ ọgụgụ Igbo ga-esokwa wulite mmasị ụmụakwụkwọ Igbo, nke ga-eme ka ha mee nke ọma ma n'ule klaasị ma n'ule WAEC.

**EDEMSIBIA**

Agwu, S.N. (2005). *Effective Strategies for Teaching the Arts and Social Sciences.* Enugu: Spakk and Spakkle Publishers

Aja, C. (2018) Borrowing to enrich language vocabulary: Lesson from the Igbo language. Ebonyi Journal of language and literary studies. Vol.1 (4) Meks Printing Conceptz Ltd.

Eke, J. G. (2001). *Igbo-English Dictionary*. Enugu: New Generation Books.

Eze, J. N. (2018) Igbo oral literature: Thematic and Didactic study of three genres. Ebonyi Journal of language and literary studies. Vol.1 (4) Meks Printing Conceptz Ltd.

Eze, J. N. (2018) Adịmire iji kọmputa akụzi ụtọasụsụ Igbo, mmasị na mmetadebe ụmụakwụkwọ na Sekọndịrị ukwu nke Steeti Ebonyị.

Njoku, C.A. (2003). Language & Development Rotuledge. *Nigeria Eduction Reearch and Development Council, (2012).* A Millenium Development Goal (MDGs) Support Project.

Ofomata C. E. (2003). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo nke ndị Juniọ Sekọndịrị.*

Federal Repubblic of Nigeria, *National Policy on Education* 4th Edition (2004). NERFC Press Yaba Lagos.

Ifedi, R.N. (2003). *Lack of Interest in Learning of Igbo Language in Praịmarị Schools* an Unpublished UNN M.ed. Thesis.

Nsiri, (2002). In a Paper Titled *"Confusion of Indịgịnous Language to Igbo Language.* Presented to the Federal College of Education Ehamufu Jan. 8. 2002.

Nwadike, I.U (2006). *The Development of Written Igbo as School Subject* (1991-2006).

Ofoma, B. O. (2007). *Igbos and their Cultures.* An Unpublished N.C.E Project, Alvan Ikoku College of Education, Owerri.

Ohiri-Aniche, C. (2013). *Igbo Speech Varieties*. Abuja: Centre for Igbo Arts and Culture.

Onwuka, G.T. (2015). Mmetụta Asụsụ Bekee Na-Emetụta Asụsụ Ụmụ Akwụkwọ N'Ọmụmụ Asụsụ Igbo Na Siniọ Sekọndịrị Dị nandịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa. An Unpublished Thesis. Faculty of Education UNN.

Onyeforo. (2001). In a Comprehensive List, of both the Past and Present Imo State House of Assembly Members & their Contributions towards Promoting Indịgenous Language and Culture.

Okereke, F.N. (1996). Causes *of Poor Performane of Student In Igbo Language.* An Unpunlished N.C.E project Alvan Ikoku College of Education, Owerri.

Omeje, P.U. (2005). Ni*gerian Peoples & Culture General Studies* (G.S.T) Division, Ebonyi State University, Abakaliki.

Pike, (2002). *Igbo Language as a Language of Tone.* A Paper Presented at the University of Nigeria Nsuka Jan. 10, 2002.

Pike (2007). In a Book Titled *Tone Marking as one of the Instruments of Language 2007.*

Ugwu (2007). In a News Paper Titled *Nigerian Stateman.* (P-20) .O. (2000). *Evaluating Teacher Nigeria Journal of Education,* Vol! P. 15-20

Uro, (1995). In the Research he carried out Titled *"Igbo/Societal Neglect of Igbo Language Certificate Holders.*